# ỊNỌGIDESIIKE NKE ONYEKRAIST NA ONYE AHỤ NÁEMERIEMERI

**Job 17:9; Luk 9:62; Ndị Kọlọsi 1:3-23; I Jọn 5:4; Nkpughe 2:7, 11, 17, 25-29; 3:5, 12, 21; 12:11; 21:7.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 425**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bugh ndi nwere ukwu ọsọ ka iwu-ọsọ diri, ọ bugh kwa ndi di ike ka agha diri, ọzọ kwa, ọ bugh ndi mara ihe ka nri diri, ọzọ kwa, ọ bugh ndi-nghọta ka àkù diri, ọzọ kwa, ọ bugh ndi-nkà ka amara diri; kama mgbe na ihe-ndaputa nādabàra ha nile" (Eklisiastis 9:11).**

**I Ụzọ nke Onye eziomume naeso**

1. Ọ naejide ụzọ ya, Job 17:9; Matiu 24:13; Jọn 8:31.
2. Ọ naelepụ anya n'iru, Luk 9:62; Ndi Filipai 3:13, 14.
3. Ọ naemeri ụwa, anụarụ, na ekwensu, I Jọn 5:4; Nkpughe 12:11; Luk 10:19.
4. Ọ naamipụta mkpụrụ, Ndị Kọlọsị 1:3-23; Ilu 11:30.

**II Olileanya nke Onye náemeriemeri**

1. Ọ gaeketa ihe niile, Nkpughe 21:7.
2. Ọ gaabụ ide n'ụlọnsọ nke Chineke, Nkpughe 3:12.
3. Ọ gaeri site n'osisi nke ndụ ahụ na manna ahụ ezoroezo, Nkpughe 2:7, 17.
4. Agaghị emejọ ya site n'ọnwụ nke abụọ, Nkpughe 2:11; 20:14; 21:8.
5. Ọ gaachị mba dị icheiche, Nkpughe 2:25-29; 2 Timọti 2:12.
6. Agaegbokwasị ya uwe ọcha, Nkpughe 3:5; Nkpughe 19:8.
7. Agaedekwasị aha nke Chineke, Nkpughe 3:12.
8. Ọ gaesoro Kraist nọdụ ala n'ocheeze Ya, Nkpughe 3:21.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ịgbáọsọ, Ịluọ̀gụ̀, Ịnyagharị Ụgbọmmiri**

Pọl ji Oziọma, na ndụ nke OnyeKraist, náatụnyere ịgbaọsọ. O ji kwa ya tụnyere ịlụọ̀gụ̀. Ọ naeme ka anyị ghọta site na nkàokwu na ndụ nke OnyeKraist bụ ibuagha. Ọ̀gụ̀ gaadị; ma mmeri gaabụ nke anyị. Ndụ nke OnyeKraist bụ kwa ndụ nke naenwe ọgan'iru. Anyị apụghị iguzo otù ebe náele anya. I nwere ike náanyá ụgbọmmiri náaga n'iru; ma ọ bụrụ na ịrapụ ụmara gị, ọ bụ ezie na ọ gaadị ka ị naeguzo otù ebe, ma ọ bụrụ na ile anya n'ọnụmmiri ị gaachọpụta na ị naalaghachi àzú. Jisọs sịrị na Matiu 24:13, "ma onye were ntachiobi nọgide rue ọgwụgwụ ihe niile, onye ahu ka agāzọputa." Ịtachịobi na gịnị? Ịtachịobi na ọnwụnwa, ịtachịobi n'ihe isiike, ịtachịobi ná nguzogide nke onyeiro nke mkpụrụobi anyị. Ọ dị ụdị mbusoagha mberede na aghụghọ dị icheiche nke ekwensu nke agaezute, ma mmeri dị nye onye ọ bụla nke gaanọgidesiike ma merie kwa.

**Ịluso Ebilimmiri Ọ̀gụ̀**

"Ma onye ezi-omume gējisi ike n'iso uzọ-ya, onye nke aka-ya abua di ọcha ganāga n'iru n'inwe ume" (Job 17:9). Nke a naewepụta échìchè nke onye ahụ náanya ụgbọmmiri nke náejigidesi ụzọ ya ike megide óké ifufe na ebilimmiri. Onye eziomume naanọgidesiike n'ụzọ ya, náejisi kwa ike iso ụzọ ya ma náadị kwa ike náaga n'iru.

Ọnọdụ ụwa n'ụbọchị taa eruwo ogo ọnọdụ nke mmehie dị ka ajọ cancer (ọrịa náeri nime arụ) ma ọ gaewe ụzọ siriike iji weta ọgwụgwọ. Ọ bụ ya mere anyị ji chọọ okwu Chineke dị ike, ndị mkwusa dị ike, ndị ọlụ dị ike. Anyị chọrọ ndị dị ike n'ekpere ijigide Chineke n'ekpere gburugburu ebe ịchụàjà niile nke ekpere. Anyị chọrọ ndịkom na ndinyom ndi gaejigide Chineke wee gbamgba ehihie na abalị n'ihi

nzọpụta nke ndị furuefù, maka ibibi mmehie, na ịkwada ebeewusiriike niile nke Ekwensu, na n'ihi iwuli ide niile nke ụlọukwu ebighịebi Chineke nime obi niile nke ụmụmmadụ.

**Ụzọnduhie dị icheiche**

Onye ọ bụla nke chègharịrị ọhụ aghaghị ịmụta ihe nzuzo nke dị n'ibi ndụ nke OnyeKraist. Ụfọdụ naamalite n'òzízí gbagọrọagbagọ. Ha naekwe ka ekwensu duhie ha ụzọ, ha wee pụọ n'eziụzọ ahụ. Ha pụrụ ime ọtụtụ "mmegharịarụ," dịka Samson, esiwo ụzọ dị warara na mkpagide pụọ. Ha ekwewo ka eziokwu ahụ funarị ha, ha arapụwo Okwu ahụ ka o ripụsịa, ewee rapụ ha dịka arịa nke náenweghị ihe dị nime ha, ha ewee ghọọ olùlùmmiri etipúrúetipú nke naapụghị kwa ịnagide mmiri ọ bụla.

Ọ dịghị kwa ihe dị óké nwuta n'obi karịa ịhụ onye ahụ nke jupụtara n'olùlùmmiri nke nzọpụta ahụ náegbu màràmàrà, náasụụ̀fụ́fụ̀, náerupụta kwa erupụta n'oge garaaga ka ọ ghọrọ olùlùmmiri nke ihe náadịghị -- olùlùmmiri nke tipúrúetipú. Ka anyị chekwa mkpụrụobi anyị pụọ n'oghere niile na ntipu niile na mgbawa niile, ka ewee mejue anyị na Mmụọ nke Chineke.

**Ịmị Mkpụrụ**

"Ka ewe me ka unu juputa na nmazu nke ihe Ọ nāchọ nime amam-ihe na nghọta nile nke Mọ Nsọ, ka unu jegharia n'ụzọ kwesiri Onye-nwe-ayi ime otú ọ gātọ Ya utọ n'ụzọ nile, nāmi nkpuru n'ezi ọlu nile ọ bula" (Ndi Kọlọsị 1:9, 10). Chineke edebeghị osisi ọ bụla ka ọ bụrụ ihe ịchọ mma n'ubi Ya. Chineke akụwo osisi Ya dị icheiche maka otù nzube nke bụ́ ka ha mia mkpụrụ. Náagbanyeghị ihe bụ onyinye anyị maọbụ ntozuókè niile anyị maọbụ otú talent anyị ra, anyị aghaghị ịmị mkpụrụ. "Ma nkpuru nke Mọ Nsọ bù ihu-n'anya, ọñu, udo, ogologo-ntachi-obi, obi-ọma, idi-nma, ikwesi-ntukwasi-obi, idi-nwayọ, imerú-ihe-n'ókè: ọ digh iwu nēmegide ihe nile di otú a" (Ndi Galatia 5:22, 23).

Jisọs emewo ka anyị dị n'udo "nime aru nke anu-aru Ya, site n'ọnwu-Ya," wee rọpụta nsacha, ịdịnsọ, na eziomume nke gaeche anyị náenweghị ntụpọ maọbụ ịtaụta n'iru Ya. "Ma asi na ọ bu ezie na unu anọgide n'okwukwe unu, ndi atọworo ntọ-ala, ndi nēguzosi kwa ike … " Mmadụ pụrụ ịmalite, ma daghachi kwa azụ pụọ n'amara nke Chineke. Dịka anyị nụworo, "Ọ bụrụ na ịnọgide rue ọgwụgwụ, ha gaamata na ịmalitererị, ma ị pụrụ ịmalite náerughị n'ọgwụgwụ ya. Akụkọ sitere n'oge niile nke Baịbụl rue oge a naegosi na ndị mmadụ adapụwo n'amara Chineke ma emesịa fue kpamkpam.

Chineke chọrọ ka o ji òzízí nke okwu Ya kaa obi anyị akàrà. Ọ bụ òzízí zuruòkè ikwere na mmadụ pụrụ ịdapụ n'ebe Chineke nọ mgbe ya na Chineke mesiwororị udo na mbụ. Ọ bụghị òzízí zuruòkè na nghọta zuruòkè ikwere na mmadụ pụrụ imebiiwu maọbụ gafee kwa ókèala ọzọ wee mee iheọjọọ, ma nọgide kwa inwe nime ya iruọma dị nsọ nke Chineke n'ihi o nwewo oge ọ nọwororị n'amara. Pita Onyeozi naagwa anyị na ọ ka mma na mmadụ amataghị ụzọ nke eziomume karị mgbe mmadụ matasịrị ya wee si nime ya dapụ.

**Nọgide na Ya**

"Ọ buru na unu onwe-unu anọgide n'okwum, unu bu ndi nēso uzọm n'ezie" (Jọn 8:31). N'ebe a kwa "Ọ buru" naegosị na ọ gaewe ihe dị icheiche ịbụ ezi onye naeso ụzọ Kraist. Ọ bụrụ na anyị agaan'iru, ọ bụrụ na anyị anọgidesiike n'ụzọ ahụ -- mgbe ahụ anyị bụ ndị naeso ụzọ Kraist. Mgbe niile mmadụ nọ n'alaeze nke ekwensu, ekwensu, ma eleghịanya, agaghị enye ya nsogbu; ma chere ka o guzoro Chineke wee mee ka ndụ̀ ya dakọta n'eziokwu niile nke Okwu Chineke nke naegbuda mmehie ọsọsọ ropụ kwa mkpọrọọgwụ ya, ma nweta ezi nzọpụta, mgbe ahụ onye ahụ abụrụwo ihe pụtara ìhè nke ekwensu gaalụso ọ̀gụ̀.

"Ọ digh onye ọ bula nke nēle anya n'àzú mgbe ọ tinyesiri aka-ya n'ọ́gù anu-ulo nādọkpughari, kwesiri ala-eze Chineke" Luk 9:62). Mgbe anyị tinyesịrị aka anyị n'ọ́gụ̀ anụulo naadọpụgharị, ka anyị jigidesie ya ike. Otù onyeozi nke Chineke n'oge ochie sịrị; "Ejim ọ́gụ̀ anụ-ulo na-adọkpụgharị lua ọlụ n'oge chie, wee kọọ ihe n'ala nke jupụtakwara n'okwute na mkpọrọgwụ. Ndị ọlụubi matakwara ihe ọ pụtara ịlụ ọlụ n'ala okwute. Oge ụfọdụ ọ́gụ̀ ahụ naakụ n'okwute maọbụ mkpọrọgwụ n'ike nke gaeme ka atụlie gị elu n'ikuku ma ọ bụrụ na ijighi ike niile jidesie ọ́gụ̀ ahụ ike. Ya mere nọgidesie ike ọbụná mgbe ụkwụ gị naakpụakpụ; nọgidesie ike ọbụná mgbe ha naanọghị kwa n'ala, nọgidesie ike naagbanyeghi ihe niile na ihe ọ bụla! Ị gaabanye n'Alaeze Eluigwe ma ị mee otú a."

“Ya mere, onye nēche na ọ nēguzo, ya lezi anya ka ọ ghara ida” (I Ndi Kọrint 10:12). Pọl dere nime Akwụkwọ Ozi mbụ ya nke o degaara Timọti, “Ufọdu ejehiewo uzọ so setan ugbua.” N’Akwụkwọ ozi nke abụọ, o debara okwu mwute a, “N’ihi na Dimas rapuru nanim, ebe ọ huru oge di ugbu a n’anya.” Dimas bụrị otù nime ndị ya na ha naalụkọ ọlụ. Ha ejikọwo aka luọọlụ; ha ejikọtawo aka lụọ ọ̀gụ̀ n’akụkụ niile, ma ugbu a – “Dimas rapuru nanim, ebe ọ hụrụ oge di ugbua n’anya.”

Oziọma nke Jisọs Kraist bụ Oziọma nke zuruòkè. Ọ naeme ka mmadụ gbanarị imebiga ihe ókè ma mee kwa ka i bie ndụ ziriezi na nke kwesịrị nsọpụrụ, dị ọcha ma juputa kwa n’eziomume. Ọ dịghị eme gị ka ị bụrụ onye dị iche n’ebe ndịọzọ nọ na ihe náabaghị n’ihe. Ọ naeme gị ka ị bụrụ nwoke maọbụ nwanyị nwere eziuche. Amara Chineke nke dị nime obi gị naeme nke a.

**Ndị bụ Ide**

“Onye nēmeri emeri, ya ka M’gēme ka ọ buru ide n’ulo nsọ nke Chinekem” (Nkpughe 3:12). Ka anyị kpee ekpere ka Chineke mee ka anyị bụrụ ide nime ụlọ nke Onyenweanyị. Enwere ike inwe iheịchọ mma nime ụlọ nke Onyenweanyị, ma nke ahụ adịchasịghị óké mkpà. Ị pụrụ iwepụ ọlụ nkà niile na ihe ịchọmma niile ma ụlọ ahụ gaeguzo kwa ma ọ bụrụ na ide ya niile naeguzo. Ma ọ bụrụ na iwepụ ide ya niile ụlọ ahụ gaada. Ka anyị kpee ekpere ka Chineke mee anyị ide ebighiebi nime ụlọ Onyenweanyị ka anyị wee nwee ike iguzo ma náeguzo kwa mgbe Jisọs gaabịa ịkpọba anyị n’Alaeze Ya.

Chineke gaje ịsọpụrụ okwukwe anyị, ijiobichụàjà niile, na ịnọgidesiike anyị. Mgbe anyị naagabiga n’ọkụ, ọ gaghị erechapụ anyị, mgbe anyị naagabiga na mmiri na n’ijummiri niile, ha agaghị eruchapụ anyị. Anyị naekele Chineke na nke a bụ mkwà ahụ. “Guzogidenu ekwensu, ọ gāgbapu kwa n’ebe unu nọ. Guzogide ọnwụnwa ọ gaagabiga kwa. Ka anyị kwesị ntụkwasịobi n’eziokwu nke Chineke; ka anyị “nọrọ ná njikere ịgba egbe” ma hụ kwa mmeri. Ọ dịrị nwa Chineke ọ bụla nke Nzukọ Kraist ahụ Náemeriemeri.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Gịnị ka eji tụnyere ndụ OnyeKraist?

2 Gịnị ka imeriemeri pụtara?

3 Kpọọ ọtụtụ mkwà nke ị maara nke ekwere ndị náemeriemeri.

4 Kọwaa òkè nke onye ahụ náemeriemeri nwere n’ọchịchị nke Kraist.

5 Òlee ihe ọ pụtara bụ́ igbokwasị uwe ọcha?

6 Gịnị mere o ji dị mkpà ka OnyeKraist dị ike?

7 Òlee ụzọ ụfọdụ apụrụ iji mee ka OnyeKraist hie ụzọ?

8 Gịnị bụ ụfọdụ mkpụrụ nke ndụ nke OnyeKraist?

9 Nye ihe ịmaatù nke sitere na Baịbụl banyere otù onye nke daghachiriazụ.

10 Kwue ihe ịghọtara sitere n’Akwụkwọnsọ nke iji chee na ọ bụ ihe dị mfé mmadụ ịbụ onye furuefù mgbe azọpụtasịrị ya na mbụ.